# Gbasara Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke agbụrụ nke ndị Ireland
# Mkparịta ụkà nke ndị Ọhà 2021

**Okwu mmalite**

**Komiti na Emegide Ikpa oke agbụrụ na Iko akụkọ gbasara oge ntinye aka**
Komiti nke Mba na ahu maka Mgbochi Ikpa oke agbụrụ (National Anti-Racism Committe) bu komiti nọrọ onwe ha nke ndị Goomenti mepụtàrà na afo 2020 iji kwadebe Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke agbụrụ na Ireland. I nwere ike ihu eso na otu anyị nakwa Ebumnuche na Nhazi zuru oke anyị ebe a.

N'uzo kwekọrọ na Ebumnuche na Nhazi anyị, anyị nyefere akụkọ gbasara ntinye aka anyị nye [Onye isi ngalaba goomenti na ahu maka Umuaka, Nha nhatanha, nsogbu ahụikē, Nnabata n'obodo na ndị Ntorobia (Minister for Children, Equality, Disability, Integration and Youth) n'onwa Nọvemba 2020. Akụkọ ahu na egosipụta echiche mbu anyị nakwa atụmatụ gasị eji mepụta Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke agbụrụ. I nwere ike inweta Akụkọ Ntinye aka ebe a.

Anyị na ndị ụlọ oru nkwado nakwa ndị otu ọhà inwe mkparịta ụkà so na oru anyị di mkpa. Mkparịta ụkà a na enye onye o bula ohere ikwu uche ha gbasara etu anyị ka esi kwụsị ikpa oke agbụrụ na ụdị ya nile na Ireland taa.

Anyị akwadebela dọkụmentì mkparịta ụkà a iji kowaa ihe mkparịta ụkà a pụtara makwa gosi ụfọdụ ebe anyị ga anabata echiche uche nakwa arọ.

**Echiche uche gị di mkpa iji nyere anyị aka Emepụta ụzọ ga arụ oru aga eji kwụsị ikpa oke na Ireland**

**Gịnị bu Ikpa oke?**
N'akụkọ Ntinye Aka anyị, anyị depụtara nghọta na esonụ banyere ikpa oke agbụrụ iji chekwa oru anyị:

> *[Ikpa oke agbụrụ bu]... Ike na agbanwe agbanwe di na nhazi owuwu nakwa ụlọ oru, ihe omume, iwu gasị na iwu omenala, nke nwere mmetụta iwepụ màọbụ ikpa oke megide ndị mmadụ màọbụ ndị otu, n'ihi njirimara ha, dikà edepụtàrà na Isiokwu nke1 nke Mgbakọ Mba nile maka Iwepụ ikpa oke agbụrụ (ICERD), nke na enweta:*
> *... Okwu ahu ""ikpa oke na ụdị ụcha ahu mmadụ" ga aputa odiiche o bula, mwepụ, mgbochi màọbụ mmasị n'ihi ọcha, agba, usoro omụmụ, màọbụ mba màọbụ ebe onye si pụta ụwa nke nwere ebumnuche màọbụ mmetụta ikagbu màọbụ ejikọta*

*mmata ahu, enwe obi ụtọ màọbụ mgbatị ahu, na enweta otu ikike, nke ikikere mmadụ , nakwa nnwèrè onwe di mkpa n'ochichi, akụ na ụba, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ọdịbendị ma ọ bụ n'akụkụ ọ bụla nke ndụ ọha.[1]'*

Anyị matara njikọ di na etiti ikpa oke agbụrụ nakwa ụdị mmegbu ọzọ n'ihi okike, mmasị mmekọahụ , njirimara okike, nsogbu ahu ike nakwa ọnọdụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya - nakwa umunwanyi, umuaka na umunwoke na agabiga ụdị ikpa oke ebe pụrụ iche.

Nghọta anyị kpebiri ina eji bu nke di ndụ, nke ewubere na echiche iwu mba òfèsi nakwa oru yana EU na mmepụta iwu ndị Irish.

Ikpa oke agbụrụ bu usoro nsogbu nke na egosipụta na ọtụtụ ebe ọhà mmadụ nakwa emetụta ọtụtụ akụkụ ndụ ndị mmadụ. Etinyèrè ikpa oke agbụrụ n'ime nhazi, nke gosipụtara nakwa meputagharia n'ulo oru, ihe omume gasị, iwu gasị nakwa usoro omenala; ma site na ha nwee mmetụta nke ewepụ màọbụ ikpa oke megide ndị mmadụ màọbụ ndị otu, n'ihi ụdị ụcha ahu ha màọbụ agbụrụ (gụnyere mba nakwa eso na otu Onye Njem ime obodo).

**Ikpa oke agbụrụ bu ihe di adị n'ezie na Ireland. Anyị chọrọ Atụmatụ Ihe omume Mba zuru oke ma di ire iji kwụsị ya.**

Ikpa oke agbụrụ bu ihe di adị n'ezie n' Ireland. Ihe akaebe na aga n'ihu edekọrọ n'akwụkwọ na egosi na etinyèrè ya na ogo ọhà mmadụ nile nakwa ọtụtụ ndị otu na agabiga ya. ịkpa ókè agbụrụ pụtakwụrụ ihe site na COVID - na-enwe mmetụta dị iche maka ndị si mba ọzọ nakwa ndị otu ndị ọzọ bụ ndị a na ahu na akpa ókè agbụrụ.

Inabata odimkpa ihe akaebe n'afọ na adịghị anya na ikpa oke agbụrụ di adị n'ezie, anyị ghọtara na anyị ga-agarịrị ugbu na ime ihe. Kemgbe Atụmatụ Ihe omume Mba Megide Ikpa oke agbụrụ kwusiri n'afọ 2008, ụlọ oru ndị obodo na achọ mmegharị nlekwasi anya mba ọhụrụ, ịtụ arọ nke emegharịkwara ọzọ na ntụgharị nke Ireland gara aga site na Komiti UN na ahu maka Ewepụ Ikpa oke Agbụrụ (CERD) n'afọ 2019. Komiti na ahu maka Ikike Ruuru Mmadụ na Nhatanha nke ndị Irish (Irish Human Rights and Equality) arịọkwala maka emepụta Atụmatụ Ihe omume ọhụrụ.
Egbochiela ikpa oke agbụrụ ugbu a na Ireland site na iwu nakwa okwu ịkpọasị agbụrụ bụkwa ihe megidere iwu. Ụlọ oru nile na arụrụ ndị Goomenti Irish oru nwere oke oru ya eme ihe ahụrụ anya iji wepụ ikpa oke (gụnyere nke sitere na ụcha ahu mmadụ) na iru oru ha. Ịkwado nhatanha nakwa itinye agbụrụ ndị ka nta n'onu ọgụgụ bu ebumuche akpọrọ aha n'ime ọtụtụ atụmatụ iwu ọhà nke goomenti. Etinyèrè ụzọ esi alụsọ ikpa oke agbụrụ agha n'ime Atụmatụ Njikọ Ndị si mba ọzọ nakwa Onye njem Mba na Atụmatụ itinye mmadụ na Roma. Ọtụtụ mgbanwe na-aga n'ihu ugbu a ga adị mkpa na ime ka nchekwa iwu ndị mmadụ megide ikpa

[1] Komiti na Emegide Ikpa oke agbụrụ na Iko akụkọ gbasara Oge ntinye aka, 2020 3

oke agbụrụ na adị ike. Nke a gụnyere mpụ iwu ikpo asị etinyèrè nakwa iwu mgbasa ozi n'intaneti. Mgbanwe nke dikà nke a na eziga mgbaàmà di ike , na ọhà mmadụ ndị Irish agaghị anabata ndị  na-akpagbu agbụrụ ndị ka nta n'onu ọgụgụ n'ụdị ọ bụla.

Ka osi wee di, ikpa oke agbụrụ na ikpa oke na ụdị ụcha ahu mmadụ na aga n'ihu n'Ireland n 'agbanyeghi mmachi iwu. Ihe ndị emere iji kwadebe dị ugbu nakwa usoro atụmatụ iwu ezughị oke ma nnukwu oghere ka fọrọ. Atụmatụ Ihe omume Mba ga enweta ụzọ aga esi etinye ihe enye aka di adị nakwa iwu na ihe mgbakwasi ukwu buru ibu nke ime ihe dọrọ anya iji kwalite idire ya. O ga ewebatakwa omume ihe ọhụrụ na atụmatụ iji  dozie nchegbù di adị nakwa nke na amalite. Na emepụta omume ihe ọhụrụ na atụmatụ ndị a, anyị ga eburu n'uche na ikpa oke agbụrụ  na ahaghị nhata ndị ọzọ nakwa ikpa oke na agakọ na ihe ndị ọzọ, ịmā atụ okike na nsogbu ahụikē.

## Enwe ezigbo data nhata nha di mkpa na ikwusi ikpa oke

Nyocha nhata nha agbụrụ bu ngwa ihe di mkpa na ekpughe ikpa oke na ụdị ụcha ahu mmadụ na emenu nakwa etu osi emetụta ndụ. O di mkpa na emepụta ihe aga eji ebelatatụ mmetụta ya ga adị ire. Ntuleghari Ikike Ruuru Mmadụ nke Mba òfèsi akpọọla ndị Ireland oku ugboro ugboro ka ha nabata usoro ime ihe ga anọgide na nchịkọta data agbụrụ kewapụtara na akụkụ site na ndị na enweta oru enyemaka ọhà na ndị ọzọ .  Akụkọ gbasara oge ntinye aka anyị chọpụtara nke a dikà ịtụ arọ kacha mkpa. Atụmatụ Ihe omume Obodo ahu ga aga n'ihu na egosipụta oghere di na nchịkọta data na eji ya eme ihe, ma tụlee ụdị mgbanwe ndị nwere ike inyere anyị aka iji data eme ihe n'ụzọ dị mma n'ilusọ ògù megide ịkpa ókè agbụrụ.

**Gbasara Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke agbụrụ nke ndị Ireland**
O di mkpa na emepụtara Atụmatụ ahu nke ọmà na nwepụta obi nye ejiri ikike ruuru mmadụ kpọrọ ihe, ọchịchị onye kwuo uche ya na usoro iwu. Uru ndị a ga egosipụta usoro ime ihe ma melite ihe omume ndị ọhà mmadụ ndị Irish na iluso ikpa oke ọgụ.

Dikà esiri kwuo na akụkọ gbasara Oge Ntinye aka anyị, edoziri oru anyị na ihe omume kachasị mma na nhazi nakwa ihe ndị di n'ime Atụmatụ Ihe omume Mba Megide Ikpa oke agbụrụ dikà esiri gosipụta na  Ntụziaka na Enye aka Emepụta Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke Agbụrụ  nke Ụlọ ọrụ Kọmishọna Ukwu nke Mba Ndị Dị n'Otu na Ikike ruuru mmadụ bipụtara.

Oru anyị nwekwara ime ọmụma zuru ezu site na  Atụmatụ Ihe omume nke ndị EU Megide Ikpa oke (2020-25), nke gosipụtara onwe ya na Ntụziaka ndị UN.

N'uzo kwekọrọ na Ntụziaka nke ndị UN, anyị bu n'uche emepụta Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke nke bu:

- *Dikà ụkpụrụ ikike ruuru mmadụ siri di*
- *Gụnyere ihe nile*
- *Nkwa iru oru obodo*

- *Na-enwekarị mmasị na ihe omume*
- *Dọkụmentì nke ọhà*
- *Usoro na-aga n'ihu*
- *Gụnyere  akụkụ mba òfèsi niile.*[2]

## N'oge a, anyị ga-achọ ịnụ echiche uche gị

N ‘gbàkwụnye na nghọta ikpa oke nakwa ebe kwesiri nlegbanye anya edepụtara n’akụkọ oge ntinye aka anyị, ekwuru site na enyemaka  okwu onu si na mkparịta ụkà, Atụmatụ Ihe omume nke Mba ga enwe ihe omume aga enye ndị ngalaba goomenti nile nakwa ụlọ oru nnochianya gasị, ndị ọchịchị, ụlọ akwụkwọ nakwa ụlọ oru gasị - na ndị ụlọ oru ọhà, nke onwe nakwa nke ndị ana anaghị akwụ ụgwọ - nke nwere ike ikagbu màọbụ nwee oru ikwu okwu banyere ikpa oke màọbụ nke nsọnyè ya di mkpa. Atụmatụ Ihe omume nke Mba ga elekwasịkwa anya na midìà, ma nke omenala ma nke eme pụtara ọhụrụ. O ga enwe ihe omume aga eji akwalite ikike na nhatanha maka ndị nile bị na obodo Ireland.

Iji nyere anyị aka ihazi mkparịta ụkà anyị, anyị etuputala arọ maka ụfọdụ isiokwu nke na egosi nsogbu achọpụtara na akụkọ oge ntinye aka anyị. Biko ka obi sie gị ike na anyị ahọrọbeghị isiokwu ndị a n'ihi na anyị chere na ndị a bụ naanị mpaghara ebe ịkpa ókè agbụrụ na-eme, màọbụ na nke a bu naanị isiokwu ekwesịrị ikwu na Atụmatụ Ihe omume nke Mba. Etupụtara arọ ha naanị iji kpalite nkwurịtaokwū ma nye aka hazie mkparịta ụkà. Anyị agaghị echewu inu echiche uche gị na ihe nsogbu ọzọ i chere anyị kwesiri itule na emepụta atụmatụ ahu.

Anyị ewepụtala ụfọdụ ajụjụ na isiokwu o bula iji nye aka kpalite nkwurịtaokwū. Ajụjụ ndị a di n’okpuru nwere ike inyere gị aka ihazi okwu onu gị na mkparịta ụkà ahu. Mana ụjọ atụkwala gị inye echiche uche gị na okwu a na arutughi aka n’ajụjụ, na/màọbụ inye okwu onu gị na okwu ndị ọzọ na akpọghị  dọkụmentì a aha. Anyị matakwara na enwere ike inwe ihe ndabako n’etiti isiokwu ndị a.

| | |
|---|---|
| **Isiokwu nke 1:** | **Ohere enweta ikpe ziri ezi** |
| **Isiokwu nke 2:** | **Udi midìà nile nakwa nkwurịtaokwū, gụnyere tecknuzu ọhụrụ gasị** |
| **Isiokwu nke 3:** | **Inweta oru, agumakwukwo, ahụikē, nakwa ebe obibi** |
| **Isiokwu nke 4:** | **Ntinye mmadụ na otu na nsọnyè** |

[2] Emepụta Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke Agbụrụ: Ntụziaka na Enye aka, UN OHCR 2014, 3

1. ***Ohere enweta ikpe ziri ezi***

Isiokwu ndị a na ekwu okwu megide ikpa oke site na ndị na ahu maka idebe iwu, gụnyere okwu usoro mkpesa, iko akụkọ na ezughị ezu nakwa ụzọ idozi ihe ọjọọ.

- Kedu ụdị enyemaka i ga achọ ihu ka emere ndị ikpa oke agbụrụ metụtara?
- Kedu ụdị ihe omume ga adị ire na ewepụ mgbochi na inata ikpe ziri ezi maka ndị ikpa oke agbụrụ metụtara?
- Kedu ụdị ihe omume enwere ike inabata iji megide ikpa oke site na ndị na edebe iwu?
- I chere na ịkpa ókè agbụrụ na-emetụta ndị ejidere ma ọ bụ ndị eboro ebubo na usoro iwu maka ndị omempụ, ma ọ bụrụ na ọ bu eziokwu, olee otu esi edozi ya?
- I chere na ịkpa ókè agbụrụ na-emetụta ndị amara ikpe ma ọ bụ ndị atụrụ mkpọrọ na usoro iwu maka ndị omempụ, ma ọ bụrụ na ọ bu eziokwu, olee otu esi edozi ya?
- I chere na ikpa oke agbụrụ nwere mmetụta mkpebi ikpe iwu na ụlọ ikpe, ma oburu na o bu eziokwu, olee otu esi edozi ya?
- E nwere nsogbu kpomkwem jikọrọ ịkpa ókè agbụrụ na okike nakwa ohere inweta ikpe ziri ezi?

2. ***Udi midìà nile nakwa nkwurịtaokwū, gụnyere tecknuzu ọhụrụ gasị***

Isiokwu a gụnyere mbipụta akwụkwọ na midìà omenala nakwa mgbasa ozi, yana mmekọrịta mmadụ na ibe ya na teknụzụ ọhụrụ.

- Kedu ụdị ihe omume i ga atụ arọ ya iji kwụsị ikpa oke agbụrụ na ụdị nke ọhụrụ nakwa ụdị nke nwekwụrụ omenala.
- Kedu ụdị ihe omume i chere ga enye aka eme ka mgbasa ozi midìà na ntaakụkọ nwekwụọ nnochite anya onye o bụla bị n'Ireland n'ogo nile?
- Kedu nsogbu ndị teknụzụ ọhụrụ na-eweta ma abịa na ịkpa ókè agbụrụ?
- E nwere ohere ọ bụla teknụzụ ọhụrụ nyere iji mee ka nluso ọgụ megide ịkpa ókè agbụrụ sie ike?
- Kedu ụdị ihe omume ndị ụlọ oru tecknuzu kwesiri eme iji nye aka buso ikpa oke agbụrụ ọgụ?
- Kedu ọrụ iwu nchịkwa nke ụlọ ọrụ teknụzụ kwesiri iru n'ịlụso ịkpa ókè agbụrụ ọgụ?

3. ***Inweta oru, Agumakwukwo, Ahụikē, nakwa Ebe obibi***

Ndị a bu ebe di mkpa nke ndụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya na akụnụba ebe aga achọ ụzọ esi enye aka iji kwado ntinye mmadụ na nsonye n'otu zuru oke nke ndị na agabiga ikpa oke na ọhà mmadụ nakwa akụnụba. Nke a nwere ike igụ nyè ikwusi ikpa oke na agbụrụ na ebe oru; na ịgba mbọ hu na emepụtara enyemaka oru ọhà ma nyefee ha nile; na ụzọ aga esi edozi ahaghi nhata n'ikpa oke na inweta, isonye na nakwa nsonaazụ sitere na agụmakwụkwọ, ahụikē, na ọrụ enyemaka ebe obibi.

- Kedu ka i ga esi achọ ihu na akwụsịrị ikpa oke agbụrụ na ebe agumakwukwo?
- Kedu ka anyị ka esi agba mbọ hu na nhata nha umuaka nile ma abịa na ohere inweta oru enyemaka?
- Kedu ụdị ihe omume i ga achọ ihu na ngalaba ahụikē iji dozi ahaghi nhata na ahụikē si na agbụrụ?
- Kedu usoro ga - enyere aka dozie ịkpa oke agbụrụ n'ohere inweta ebe obibi?
- Kedu atụmatụ na ihe omume ị ga-achọ ịhụ na emere iji luso ịkpa oke agbụrụ na ohere inweta ọrụ?
- E nwere ngalaba kpomkwem nke ndị nile ewere n'ọrụ ebe ekwesịrị eme ihe omume ka o buru nke kachasị mkpa na ilusọ ịkpa ókè agbụrụ ọgụ?
- Kedu ọzụzụ na nkwado ndị ọzọ nwere ike inye aka na ilusọ ịkpa ókè agbụrụ n'ebe ọrụ ọgụ?
- Kedu usoro ga enyere aka e nwere ike ewebata iji kwalite ewe n'oru nakwa ntinye mmadụ n'ewe n'oru, yana edozi ihe kpatara ikpa oke agbụrụ?

4. ***Itinye mmadụ n'otu na Nsonyè***

isiokwu a gụnyere ọrụ agụmakwụkwọ na ime ka mmadụ niile mata nwere ike ịrụ na ogo niile n'ịlụso mkpasọ agwa ịkpa oke agbụrụ ọgụ. Nke a nwere ike igụnyè ihe nwere ike enye aka kpalite omụmụ ihe banyere odiiche na ikpa oke na ntụziaka edere ede, emegharị akụkọ ihe mere eme ka etinye ndị otu nakwa ụdị nke eleghara anya ugbu a, yana atụmatụ ime ka ọhà mmadụ mata.

N'okpuru isiokwu a, anyị ga-achọkwa idozi ihe mgbochi nye ndị mmadụ sitere na agbụrụ ndị ka nta n 'ọnụọgụgụ na-esonye na ndọrọ ndọrọ ọchịchị onye kwuo uche ya na iguzo na ntuli aka imē obodo na nke mba.
Anyị ga atụlekwà ikike onwere inweta ihe na ebe o bula màọbụ oru enyemaka ezubere maka ọhà, dikà ụgbọala njem, ụlọ nkwarị akụ, ụlọ nri, obere ụlọ nri, ebe ihe nkiri, ebe egwuregwu, ogige ntụrụndụ na ihe eji enyere ndụ aka.

- Kedu atụmatụ i chere nwere ike ikwalite mmata ndị ọhà na ikpa oke agbụrụ ma nye aka luso inwe echiche na ezighi ezi banyere ụdị ụcha ahu mmadụ?
- Kedu ka anyị ga esi ewepụ mgbochi na ntinye mmadụ n'otu na nsọnyè na mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke ndị otu ndị ogbenye nke ana anochiteghi anya ha nke ọmà?
- Kedu ka anyị ga eji agba mbò hu na etinyèrè ndị anapụrụ ikike enwe ige ntị na ike ?
- Kedu atụmatụ ga enye aka hu na iwu ndị ọhà bu n'uche ihe ndị imē obodo nke ndị di iche na ụcha ahu na agabiga na ikpa oke ?
- Kedu ụdị ihe omume i nwere ike ịtụ arọ ga ebulite ọnụọgụgụ ndị mmadụ site na nsọnyè ndị otu ka nta n 'ọnụọgụgụ nakwa inọrọ na ọkwa na ntuli aka nke ebe ụlọ nakwa nke mba?
- Kedu ihe omume ndị achọrọ iji hụ na usoro ndọrọ ndọrọ ọchịchị, usoro nsọnyè na-emegide ịkpa ókè agbụrụ?

- Kedu ihe ekwesịrị ime iji dozie ịkpa ókè agbụrụ na egwuregwu? Kedu omume kwesiri ekwesi nwere ike ikwalite nke a?
- Kedu ihe omume ekwesịrị ime iji kwalite mmata ịkpa oke agbụrụ na nka na omenaala? Kedu omume kwesiri ekwesi nwere ike ikwalite nke a?
- Kedu ihe omume ekwesịrị eme iji kwalite mmekorita na-eme n'etiti ndị si n'agbụrụ dị iche iche nakwa nsọnyè n'ihe omume nke imē obodo?

I ga enwe ike inyewụ anyị echiche uche gị na ihe o bula i chere di mkpa na mmepụta Atụmatụ Ihe omume nke Mba megide Ikpa oke agbụrụ n' Ireland. Ajụjụ niile a na-ajụ n'okpuru nwere ike inye aka.

**Ajụjụ Nile gasị**

- Kedu ihe ihụtara dikà nsogbu kachasị di mkpa ndị ka nta n 'ọnụọgụgụ na agabiga?
- Kedu ụdị atụmatụ i chere ga edozi oghere di na nchịkọta na eji data?
- Kedu etu i ga esi ama etu atụmatụ ahu si arụ oru nke ọmà? Kedu onye i chere enwere ike itinye na iru oru nakwa nyocha ihe omume atụrụ arọ ya na Atụmatụ ahu?
- Ịmata na ihe omume ahu ga agunye ọtụtụ nsogbu, kedu ebe abụọ i chere kachasị mkpa ga ebute ụzọ na ihe omume?
- Kedu ihe ga - ebute nnukwu mgbanwe ruo ogologo oge?
- Ahụmahụ ikpa oke o na agbanwe n'ihi okike mmadụ , afo onye gbara, enwe mmasị mmekọahụ màọbụ ezinụlọ màọbụ ọnọdụ alụmdi na nwunye?
- Kedu ka ahụmahụ ikpa oke si emetụta mmekorita ndị nwere nsogbu ahụikē?

**Ndị Ireland na Emepụta Atụmatụ Ihe omume nke Mba Megide Ikpa oke agbụrụ.**
**Echiche uche gi ga enye aka ahazi Atụmatụ a.**
**Imeela na isonye na oru a di mkpa.**